Ochie Dike (Mama)

Phyno

Nnem Nneoma
Okwa gi n'edu'm ka mmuo
Isim atul'ujo, nwa jee nke oma
Man'ekpelum ekpere kam no oma
He! Onwelu ife ikwelu k'okom
Inwelugodi ije yoolum
I nwe mama letekwa nne gi oh

Chukwu biko gozie, Ochie Dike Mama
Nna gozie Nnem, Ochie Dike Nnem
Chukwu biko gozie "daalu Nnem"
Ochie Dike Mama "daalu nnem oh"
Nna gozie Nnem "Chukwu gozie gi"
Ochie Dike Nnem "Ochie Dike Nnem oh"

Ahnn, Olisah gozielum nwanyi
Ahu m'si n'ime ya puta uwa
Maka afufu n'ile ota'alum n'elu uwa
Okwa ekpele gi n'edu'm ije n'elu uwa
Si'm welu obi ume ala sobe ndi uwa
Zuom n'uzo Chi, si'm hapu ihe nke uwa
Si'm solu obim, esokwala ndi uwa
Ebe obula osolum noro n'elu uwa
Iga anom na-aru k'ibu oburu puta uwa
"Hmn hmnn hmnn hmmmmnn"
Ina ebuzo agum before igunye onwe gi
Mgbe ozulum I hapurum oke gi
Mgbe umu uwa biara ka ha megidem
"Hmn hmnn hmnn hmmmmnn"
Isi'm akujola my face e ndu nwoke
Lee lee, okwa o gbajie dolo
"Hmn hmnn hmnn hmmmmnn"
Ikwu n'ibe gbarapum, gi ka m'na agbakuru
Obu gini ka m'ga eji ekele Mama'm
Chineke Nna biko gozielum Mama'm

I mana onwa-ite naani oh
Ka nnem bulum n'afo
Nnem tala afufu n'uwa
Wee muo'm ezigbo nnem
O bu gini ka m'ga eji
Wee kele nne mulum oh
Ochie Dike Nnem
Obu ego, obu akwa ojiro
Agam ayonu yonu yonu onye kelum oh
"Chineke Nnam"
Biko gozielum nnem oh "gozie gozie"
Ochie Dike Nnem "oh nnem oh"

Chukwu biko gozie, Ochie Dike Mama
Nna gozie nnem, Ochie Dike nnem
Chukwu biko gozie, Ochie Dike Mama
Nna gozie nnem, Ochie Dike Nnem

Huhhh! Elee! Yeah!
Nwa ma mma, okwa mama "o'kwa mama"
Nwa ba'uru o'kwa mama "o'kwa mama"

N'asa ma'esi nri bukwa mama "o'kwa mama"
N'azulu nwa azu bukwa mama "o'kwa mama"
Nwata sobe ndi ajo otu mebe aka ntutu
Onye oga emechu ihu bu mama "eh"
And nwanyi tocha we muta nwa nke ya
Onye ga-abia omugwo bu mama
"Hmn hmnn hmnn hmmmmnn"
M'ga n'etu gi mama the mama
Ofu ka idi, I no get another
"Hmn hmnn hmnn hmmmmnn"
Obu ginwa bu agu nwanyi mji eje mba
Moulduo down m'mata the weather
"Hmn hmnn hmnn hmmmmnn"
M'malofu your sacrifice and your advice
You fall for my right just to make things right
"Hmn hmnn hmnn hmmmmnn"
Ibulu onu ka my future di bright
I promise to make yours a paradise

I mana onwa-ite naani oh "nine months"
Ka nnem bulum n'afo "elee"
Nnem tara afufu n'uwa wee
Muo'm ezigbo nnem "eziokwu"
O bu gini ka m'ga eji
Wee kele nne mulum oh "ehn"
Ochie Dike Nnem "otua k'odi, otua k'odi"
Obu ego, obu akwa ojiro "at all"
Agam ayonu yonu yonu onye kelum oh
"Chineke nnam"
Biko gozielum nnem oh "gozie gi mama"
"Ngozi Bgozi"
Ochie Dike Nnem "ogologo ndu n'aru isi ike
Ogan'eso gi nne" "oh nnem oh"

Chukwu biko gozie"gozielum nnem oh"
Ochie Dike Mama "gozielum nnem eh, onye mulum eh"
Nna gozie nnem "gozie ya
Gozie ya mama'm oh", Ochie Dike Nnem
Chukwu biko gozie, ochie dike mama
Nna gozie nnem, Ochie Dike Nnem

"Uhh uhhh uhh uhhhhh"
Mama'mu bu Ochie Dike
Oma k'esi ejide ezi n'ulo
"Uhh uhhh uhh uhhhhh"
Oshie ike, obulu ngwa afia ya ke n'isi
Tupu olota, nri ejuputa ezi n'ulo
"Uhh uhhh uhh uhhhhh"
Mama'mu bu Ochie Dike
"Hmm hmm hmm hmmmm"
Mgbe uwa n'acho ife fa ga-eme ibe fa
Nnukwu okwu putalu, oyi adirozi
Nwanne adirozi, ibe adiro
"Uhh uhhh uhh uhhhhh"
Ochie dike nnem silu'm, ebe nwam kwu
O' ebe ahu kam ga-akwu

Sponzor: www.srovnavac.cz - vyberte si pojištění online!